
# IGBO CATHOLIC COMMUNITY (ICC) NEW YORK, AT ANGELA MERICI PARISH, BRONX, NEW YORK.




## SUNDAY BULLETIN: 32ND SUNDAY IN ORDINARY TIME (YEAR C)

## SUNDAY, NOVEMBER 10, 2019

**HYMNS:**



**ENTRANCE:** K'ANYI KPOO ISI ALA..
**OFFERTORY:** ONYINYE GI AHU../CHI N'EMERE M
**CONSECRATION:** JESU AGBADATAGO N'ALTAR
**COMMUNION:** BIA NARANU RIE
**POST COMMUNION:** O SACRAMENT MOST HOLY
**DISMISSAL:** CHEBE M CHINEKE

**EKPERE MMEGHE**

Chineke ji ike nile, Onye ebere, were obi oma Gi wepuru anyi nsogbu nile. Tohapu echiche anyi na ahu anyi n’agbu ji ha, ka anyi were nwee ike ime uche Gi. Site n’Onyenweanyi.

**IHE OGUGU NKE MBU ewetara n’Akwukwo Abuo nke Makabiz 7:1-2. 9-14**

***Isi Okwu: Eze nke uwa ga-akpolite anyi na ndu ebighi ebi***

Enwere umunne asaa e jidere ha na nne ha. Eze ji ntamahuhu nke ipia utali na oke imesi ike na-akwanye ha ka ha rie anu ezi, nke iwu mabidoro ha irunu. Otu n’ime ha, dika onye na-ekwuchitere ha dum, kwuo si: “Kedu ihe I na-agba mbo ichoputa n’aka anyi? Anyi di njikere inwu onwu karia imebi iwu nke nna anyi ha.” Mgbe nwanne ya nke abuo na-ekubi ume ikpeazu o kwuo si: “Ekwensu na-enweghi ako na uche, I nwere ike gbuo anyi n’uwa nke a, ma Eze nke uwa ga-ekulite anyi na ndu ebighi ebi, ebe anyi na-anwu n’ihi Iwu Ya, ka anyi wee dikwa ndu ozo ebighi ebi.” Mgbe onye nke a nwuru, ha were onye nke ato na-eme ihe ochi. Mgbe ha choro ire ya, o weputara ya ososo, were obi siri ike setia aka ya, bia were nchekwube juru afo kwuo si: “O bu eluigwe nyere m ihe ndi a. N’ihi iwu Chineke, ajula m ha, n’ihi na enwere m nchekwube na aga m enwetakwa ha ozo n’aka Chineke.” O turu onye eze na ndi umu odibo ya n’anya nke ukwuu, oge ha huru obi siri ike na atughi egwu o bula nke nwa okorobia ahu. Ka onye nke a nwuru, ha takwara onye nke ano nnukwu ahuhu n’otu aka ahu. Oge o na-anwu, o were kwuo si: “Anyi eketala oke ka mma n’inara onwu n’aka ndi mmadu,ma anyi nwere nchekwube n’ebe Chineke no, na O ga-ekulite anyi na ndu ozo. Ma n’ebe unu no, unu agaghi enwe mbilite n’onwu na ndu ohuru.”
Okwu nke Oseburuwa.
Ekele diri Chukwu.

**ABUOMA NA AZIZA YA**

***Aziza: Onyenweanyi, aga m enwe afo ojuju mgbe aga-egosi ebube Gi.***

1. Onyenweanyi, nuru ihe bu ezi omume m. Gee nti na mkpu akwa m. Chee nti nuru aririo m. Aghugho o bula anoghi n’egbugbere onu m. Aziza
2. Nzo ukwu m nosiri ike n’okporo uzo Gi; ka ukwu m ghara igahie uzo. Chineke, ana m akpoku Gi n’ihi na I na-aza oku m. Tugharia chee m nti, nuru aririo m. Aziza
3. Zobe m n’okpuru ndo nku Gi. N’ezi omume m ka ma ga-ahu Gi. Aga m enwe anuri mgbe m tetara hu ihu ebube Gi. Aziza

**IHE OGUGU NKE ABUO ewetara n'Akwukwo Ozi nke abuo Pol degaara ndi Tesalonika 2:16-3:5**

***Isi Okwu: Ka Chineke mee ka unu guzosie ike n'oru oma na n'okwu oma nile***

Ka Onynenweanyi Jesu Kristi n'Onwe Ya, na Chineke Nna anyi, Onye nyere anyi ihunanya Ya, biakwa site n'amara Ya, nye anyi nkasiobi na nchekwube ebighi ebi. Ka Chineke Nna na Onyenweanyi, Jesu Kristi kasie unu obi, biakwa nye unu mgbasike n'ihe oma nile unu na-eme, ma o bu nke unu na-ekwu. Umunna m, na nke ikpeazu, kpesiekwaranu anyi ekpere ike. Na-arionu ka ozi nke Onyenweanyi gbasaa ososo; ka e were nsopuru na ugwu nabata ya n'etiti unu. Na ekpenu ekpere ka a zoputa anyi n'aka ndi ajo mmadu, n'ihi na o bughi onye o bula ka e nyere onyinye nke okwukwe. Kama o bu Onyenweanyi ji okwukwe. O ga-enye unu mgbasike, biakwa chekwaba unu n'aka onye ojoo ahu. N'ime Onyenweanyi, anyi nwere obisike na unu na-eme; na unu ga na-emekwa ihe anyi gwara unu mee. Ka Onyenweanyi tugharia obi unu, ka o chee ihu n'ihunanya Chineke, na obisike nke Kristi.
Okwu nke Oseburuwa.
Ekele diri Chukwu.

**ALELUYA**
Aleluya, aleluya!! Jesu Kristi bu Onye mbu a muru n'etiti ndi nwuru anwu. Ka otito na ochichi diri Ya ebighi ebi. Aleluya!!!

**OZIOMA di aso Luke dere 20:27-38**

***Isi Okwu: O bughi Chineke nke ndi nwuru anwu, kama o bu nke ndi di ndu***

Ufodu ndi Sadusii-ndi ahu na-ekweghi na e nwere mbilite n'onwu-biakwutere Jesu juo Ya ajuju si: "Onye Nkuzi, Mosis deere anyi n'akwukwo: na onye nwanne ya luru nwanyi, nwuo n'amutaghi nwa, ya kuchie nwunye nwanne ya ahu, ka o mutara nwanne ya nwuru anwu umu. "Ugbu a, e nwere umunne nwoke asaa. Nke diokpara luru nwanyi, nwuo na amutaghi nwa. Nke abuo ekuchie nwunye nwanne ya, biakwa nwuo n'amutaghi nwa; nke ato kwa. Otu ihe ahu mere umunne asaa ahu; ha dum nwuru n'amutaghi nwa. N'ikpeazu, nwanyi ahu biakwara nwuo. Ugbu a, na Mbilite n'onwu, nwunye onya ka o ga-abu, ebe o bun a ha asaa luchara ya ka nwunye?" Jesu zara ha:"Umu nke uwa a na-alu di, na-alu nwunye. Ma ndi e kpebiri na ha tozuru oke inwe onodu n'uwa ozo na Mbilite n'onwu, anaghi alu di, nke ha n'alu nwunye. N'ihi na ha enweghi ike inwu anwu; ha di ka ndi mmuoma, ebe ha bu umu nke mbilite n'onwu. Ha bu umu Chineke. Mosis n'onwe ya ruturu aka na ndi nwuru anwu na-ebilite; ebe ahu o dere maka ohia na-agba oku, o kporo Onyenweanyi 'Chineke nke Ebraham, Chineke nke Aizik, na Chineke nke Jekop'. Ugbu a, O bu Chineke ndi din du, O bughi nke ndi nwuru anwu. Maka na mmadu nile di ndu n'ezie n'ihu Ya."
Ozioma nke Oseburuwa.
Otito diri Gi,Kristi.